**Ebonyi Journal of Language and Literary Studies**
Volume 1 No. 4: 118-128 (2018) ISSN 9091 4582 7142

# Agụmagụ Ụmụaka maka Mwulite Ndụ na Mmepe Obodo

**Pauline C. NWIZU**
paulinecnwizu@gmail.com
Department of Languages and Humanities
Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri, Nigeria

**Ụmị Edemede**
Agụmagụ bụ enyo e ji ahụ ụwa na obibi ya. Agụmagụ a haziri nke ọma ga-agbara ụmụaka ụwa ha n'anwụ site n'agwa ndị e gosipụtara na ya. Ha ga-ahụta iheọma nke ga-enyere ha aka na ndụ, hụta ihe ọjọọ nke nwere ike iduhie ha ụzọ ma ha akpachaghị anya, hụtakwa ihe mgbagwoju any na, ọgbagharịị nke ga-eme ka ha cheba echiche ime banyere ndụ mmadụ, akụ na ụba, ọchịchị, ekpemekpe na ekwemekwe nakwa ihe ndị ọzọ ha ga-ahụta dị ka o siri metụta mmadụ site n'usoro ihe mere eme na omenanro. Agụmagụ ụmụaka malitere n'oge gboo site n'akụkọ ifo nke a na-akọrọ ha. Akụkọ ndị a na-enye ha obi aṅụrị, ha esite n'ime ya mụta ihe. Ma n'oge ugbu a, agụmagụ ụmụaka na-ekweke isi, anaghị akọziri ụmụaka akụkọ ọnụ dịka ọ dị na mbụ. N'aka nke ha, ụmụaka anaghị agụkwa ihe ọgụgụ, ọnọdụ dị otu a agaghị enye ha ohere ito eto na itọkasị ụwa ha mara ihe kwesiri ime na nke ha ekwesighị ime maka mwulite ndụ ha na nke Africa. Ọ bụ ebe a ka edemede a gbadoro ụkwụ, ileba anya n'ihe butere ọnọdụ a na mkpa agụmagụ dị na ndụ ụmụaka. Atụtụ e jiri dee ederede a gbadoro ụkwụ na nke echemeche nke Jean Piaget, Erik Erikson, na Lawrence Kohlberg mere, banyere ntolite ụmụaka. E jiri akwụkwọ ọgụgụ iduuazị 'Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe' nke Tony Ubesie wee mee nchọcha a. Achọpụtara na ahụmihe, ọnọdụ ụwa na gburugburu agwa Enyi nke a kpọrọ aha n'akwụkwọ a jikọrọ aka ọnụ hiwe agwa na nhụmiihe nwatakịrị a. Ọ bara n'otu ọjọọ, gakwaa mkpọrọ, ma chegharịa nwetazie aka ọrụ nke Akanke nyeere ya aka oge ọ pụtara. Anyị nyekwara ntụziaka ka a na-akọrọ ụmụaka ụdị akụkọ a ma ọ bụ ka ha na-agụ ụdị iduuazị a maka nzụlite na nwulite ndụ ha bụ nke e chere ga-enye aka maka mmepe obodo n'ọdinihu.

**Mkpọlite**
Agụmagụ bụ mgbama e ji akọwa ụwa. Ihe ndị a na-ahụ n'ime ya gụnyere omenala, nke hiwere isi n'ekele, alụmalụ, nri, ejiji, akaọrụ, usoro ọchịchị, usoro akwamozu, akparama akụnaụba, ewumewu nakwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị ka o siri metụta ezinaụlọ, ogbe, obodo ma ọ bụ mba. Ihe nke a pụtara bụ site n'agụmagụ, mmadụ pụrụ ịghọta ihe niile banyere agbụrụ ya. Ọ bụ ya mere Nwadike (1992:12) na nchịkọta nkọwa agụmagụ kwuru sị na "agụmagụ bụ ọrụ nká sitere n'echiche pụta ma bụrụ nke e si na ya egosipụta ma na-ahụ ndụ".

Agụmagụ ọnụ Igbo bụ epum na ndụ ndị Igbo, ya bụ na ọ malitere kemgbe ndị Igbo malitere ndụ ha. O nweghị onye ga-ekwu mgbe agụmagụ jiri malite.

N'oge gboo, ọ bụ n'ọnụ ka a na-akọ ya. Akụkọ dị iche iche a na-akọ gụnyere ifo, akụkọ mbido, akụkọ nkọkịrịkọ, akụkọ agbụrụ, akụkọ ala nakwa agụgụala ndị ọzọ dị iche iche. Agụmagụ Igbo bụ nwa nwa tote, o tokwuru, nke si n'aka nne na nna gafere n'aka ụmụ ụmụ ha. Ụfọdụ ha na-adịkwa n'ụdị abụ/uri (egwu), nakwa ejije n'ụdị dịkwa iche iche.

Site n'akụkọ ndị a dị iche iche a na-akọ, abụ na egwu a na-agụ na kwa ejije a na-emepụta ka e si na-egosipụta usoro ebimụndụ, ahụmihe, nhụrụụwa nakwa ihe niile banyere obibi ndụ ndị Igbo. N'ụzọ dị otu a, ka ụmụaka si ebido na gboo amụta ihe ọma a tụrụ anya n'aka ha dịka irube isi, ịgba mbọ na ịrụsi ọrụ ike, mụta usoro omenala ha, mata ihe ndị bụ arụ na nsọ obodo, mụta usoro ọchịhị na idebe iwu na-achị obodo nakwa ihe ndị ọzọ ga-enyere ha aka na ndụ itopụta bụrụ ezinwa amaala Igbo nke ga-akwalite mwulite na mmepe obodo.

Agụmagụ Igbo malitere na-eto site n'agumagụ ọnụ ruo n'edereede mana ọ bụ ihe mwute na agụmagụ Igbo erutebeghị ebe o kwesiri irute taa n'ihi nlede anya, ejighị ya kpọrọ ihe nakwa ejighị ya akụziri ụmụaka ihe n'ụlọ akwụkwọ na n'ụlọ ha dị iche iche. Nke a bịaziri mee ka nsogbu dị n'ịzụlite ụmụaka bawanye. Ọnọdụ dị etu a anaghị akwalite mmepe obodo na ọganihu. N'ihi ya ka ederede a ji dị mkpa n'oge a maka ntolite Afrịka.

**Agụmagụ Ụmụaka**

Agụmagụ ụmụaka bụ ihe ọ bụla ụmụaka na-agụ. O nwere ike ịbụ ihe a rọrọ arọ ma ọ bụ ihe mere eme. abụ ma ọ bụ ejije e mere maka ụmụaka. Na mbụ, agụmagụ ụmụaka na-adị n'ụdị akụkọ, uri (egwu), abụ. A na-eji ha akụziri ụmụaka ihe nakwa ịkpa ha obi ọma.

Aries, Philippee (1962) kwuru n'oge gboo, anaghị enwe ihe dị iche a hụrụ anya ebe ụmụaka na okenye dị n'ihi ya enyeghị ụmụaka ọnọdụ dị iche. Ọ bụ n'oge ugbu a ka e bidoro kpawara ụmụaka ala. Ewezụga akwụkwọ e ji akụziri ụmụaka ihe nke ndị Ụkọchukwu Venerabil Bede na Elfric dere, e nweghị akwụkwọ agụmagụ bara uru e dere maka ụmụaka tupu century iri na asatọ aga a, mana ndị ọka mmụta ndị kwuru na e nweela agụmagụ e mere maka iji kuzie omume ndị anabatara nakwa ihe ndị ọzọ ga-enyere ụmụaka aka n'omenala ha.

**Ntulegharị agụmagụ**

A ga-eleba anya n'atụtụ e jiri mee nchọcha na nchọcha ndị e merela n'isiokwu.

**Atụtụ e jiri mee nchọcha**

Nchọcha a gbadotro ụkwụ n'atụtụ mwulite ụmụaka (child development theories). Ndị hibere atụtụ a bụ ndị ama ama na filọsọfi na saịkọlọji a na-akpọ Jean Piaget, Erik Erikson na Lawrence Kohlberg. Ndị ọkammụta ana mwulite ụmụaka kwenyere na ihe ụmụaka na-anụta ma ọ bụ ahụta na ndụ ha nwere ike ịgbanwe mmụọ na agwa ha n'otu ntabi anya. Ụmụaka na ibe ha kwesịrị inwe mmekọrịta, nwee mmụọ ikpe ziri ezi, ghọtakwa ọnọdụ ndị ọzọ dị ka ha siri ghọta onwe ha. Ọ bụ ọnọdụ dị etu a ka Jean Piaget, Erik Erikson na ndị ọzọ jiri nye ndụmọdụ ka ndị nkuzi ghọta atụtụ mwulite ụmụaka (child development theory) tupu a họpụta

akwụkwọ agụmagụ ụmụaka. Ọ bụrụ na e mee nke a, ọ ga-enye aka n’ọzụzụ ụmụaka na mwulite mmepe obodo.

**Atụtụ Ọgụgụisi nke Piaget maka mwulite Ụmụmaka na agụmagụ (Piaget cognitive theory of development)**

Jean Piaget bụ onye tụpụtara atụtụ mwulite keọgụgụisi. Jean Piaget bidoro n’afọ mbụ a mụrụ nwa kọwaa ụdị agụmagụ e kwesịrị iji nye ya ọzụzụ. Ọmụmaatụ site n’oge a mụrụ nwa ruo n’afọ abụọ nwatakịrị enweghị ike ịhụba ihe ama, n’ihi ya agụmagụ nwatakịrị chọrọ oge a bụ nke ga-eme ya obi ọma dịka abụ na ụda dị nro, akwụkwọ na ihe ndị ha ga-emetụ aka. Oge nwata dị afọ abụọ ruo assa, o bido chewe echiche, nwee ike ikpebiri onwe ya etu ihe siri gaa na gburugburu onwe ya. Ha nwere ike ịghọta agba (colour) ọdịdị ihe (shape) etu ihe ha (size). Oge ụmụaka dị afọ asaa, ha na-enwe ike aghọta ndị mmadụ na ọrụ ha dị iche iche (Russell 2009). Akụkọ a ga-akọrọ ha n’oge a bụ akụkọ ezinaụlọ, ikwunaibe na agụgụala. Akwụkwọ agụnagụ ga-adị mma maka oge a bụ nke nwere esereese ụmụ anụmanụ na mashịn akpụrụ akpụ dị iche iche (animated machines)

Site n’afọ asaa ruo afọ iri na otu, ụmụaka ga-ebido ghọtawa onwe ha ebe ọ dị ukwuu, nwee ike na-egbo mkpa na ije ozi. Ha na-aghọta ndị mmadụ na ọrụ ha n’ụwa (Russell 2009). Ọ kọwara na ụmụaka n’oge a na-aka aghọta akụkọ banyere ezinaụlọ, ikwunaibe na agụgụala n’ebe ọ dị elu.

N’agba nke ikpeazụ, ụmụaka na-aghọta ma na-atụlerịkọtakwa uche ebe ndị ọzọ nọ. Oge a, ha nwere ike ịgụ akwụkwọ maka ọrụ siri ike nke gụnyere nke ikwunaibe nakwa nke ọhanaeze.

**Atụtụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke Erik Erikson (Erikson psychosocial development theory)**

Erikson kere mwulite ụmụaka ụzọ ise. Site n’afọ nke atọ ruo nke isii, ụmụaka na-eji aka ha họrọ ihe ha chọrọ ime ma hụkwa maka ọdachi ọ bụla ga-esi na mkpebi ha apụta. Akụkọ ụmụaka chọrọ ebe a bụ akụkọ ga-enyere ha aka ịma ọrụ ha na-ijikalata mmụọ ha. Site n’afọ asaa ruo iri na otu, ụmụaka amatala ihe bụ agamnihu na ihe na-adịghị mma. Akụkọ ha chọrọ ugbu a bụ nke ga-eme ka ha nabata onwe ha nakwa ndị otu ọgbọ ha. N’agba nke ikpeazụ, mgbe nwata nọzi n’agbata ụmụaka na okenye, akwụkwọ nwata chọrọ n’oge a bụ akwụkwọ ndị ga-enyere ya aka ịghọta onwe ya, na ndị ọzọ, akwụkwọ ndị e kwuru ma kpakwa ezi agwa n’ime ya. Nke a ga-enyere ha aka ịgbanwo ọnọdụ agwa ọjọọ ha hụrụ onwe ha ma nwekwa ezi nchegharị.

**Atụtụ nke Lawrence Kohlberg**

Atụtụ Kohlberg na-akwado ezi uche na ikpe ziri ezi ebe nke Piaget na Erikson na-akwado ọgụgụ isi na mmekọrịta ọhaneze n’otu n’otu. Kohlberg kewara nkuzi ya ụzọ abụọ, nke mbụ na-abịa oge nwata dị ihe dịka afọ asaa. N’oge a, ụmụaka amatala oge ha mere ihe ọjọọ, mara na a ga-ata ha ahụhụ, n’ihi ya, ha na-ezere ihe ọ bụla ga-eduba ha na ntaramahụhụ.

Nke abụọ bụ oge nwata matara na ya mee nke ọma, na ya ga-enwe ihe nrite. N’oge a akwụkwọ ụmụaka kwesịrị ịgụ ma ọ bụ akụkọ ha kwesịrị ịnụ bụ nke

ga na-akwado ezi agwa na ụgwọ ọrụ ma ọ bụkwaa ajọ omume na ntaramahụhụ na-eso ya.

Site n’afọ asaa ruo afọ iri na otu ụmụaka amatala uru ezinaụlọ, enyi nakwa gburuburu ebe ha bi bara. Ha na-achọ ka e too ha ma ọ bụ kweta n’ihe ọ bụla ha mere. Ha anaghị achọ ka akajọọ ihe ọ bụla ma ọ bụ gbaa echiche na omume ha n’anwụ. Agụmagụ ndị ga-ezipụta agwa/ọnọdụ otu ebiri/ọgbọ n’ebe ụmụaka nọ dị oke mkpa n’oge a n’ihi ọ ga-abụrụ ha enyo iji ahụ etu omume/agwa ha dị. Russell (2009) kwadoro ka ụmụaka nụ ma ọ bụ hụ ụmụaka na-akpa agwa etu ha si akpa ka ha nwee ike hụ etu omume ha dị wee nwee ike nwe mkpebi ma ọ dị mma ka ọ di njọ ịkpa ụdị agwa ahụ.

**Itinye atụtụ n’Ọrụ**

**Nchọcha ndị e mere n’elu atụtụ**

Dahl (1961) tinyere atụtụ mwulite ụmụaka n’ọrụ n’akwụkwọ ya nke ọ kpọrọ “James and the Giant Peach”. N’akụkọ ya, onyeisi agwa bụ Jemis dị afọ asaa, oge nne na nna ya nwụrụ. Ha bibuuru n’akụkụ mmiri. Otu anụ bi na mmiri tagburu nne na nna ya. O wee banye n’aka nwanne nne ya obi kpọrọ nkụ. Ebe a ka nsogbu ya siri bido, owu na-akpagbu ya. Otu nwoke nyere Jemis okwute anwansi nke ga-enyere ya aka na ndụ ma o rie ya. Mana Jemis n’obi nkopụ aṅụrị gbapụrụ ọsọ wee tufuo okwute anwasị a, ha wee mie n’okpuru osisi piich. Jemis nke mere na ya na ụmụ ahụhụ wee gbapụ n’ụlọ nwanne nne ya, wee gbafee osimiri gawa Amerika, ebe o bizi na-enwe aṅụrị. Ọ na-amasi ụmụaka ịnụ akụkọ banyere ihe ụmụ ebiri ha mere, ebe ụmụ anụmanụ na-ekwu okwu ma na-akpa agwa ka mmadụ. Dahl bịara gosi n’ụdị agwa a rọrọ arọ ebe Jemis bụ enyi ụmụ ahụhụ ndị tara okwute, bịa buzie ibu, ka mmadụ, udide, okugba idide, gbakụrụ nwoke, mmụmụọwa, ledibọọgụ na ahụhụ ndị ọzọ na-ekwu okwu, na-akpakwa agwa na njem ịtụnanya ha na Jemis.

N’itinye atụtụ Erikson n’ọrụ akụkọ a ga-amasi ụmụaka ndị ogbo Jemis. Jemis kpara agwa dị ka nwoke n’ịgba mbọ ịhu na ọ kpọfere onwe ya na ndị enyi ya ebe nsogbu adịghị na njem ya na ụmụ ahụhụ nke a kpọrọ “James and Giant the Peach” n’asụsụ Bekee. Ebe ọ bụla ọdachi ma ọ bụ nsogbu pụtara, James ga-eji nkịrịuche mee ka ha lafere. Ndị enyi ya ụmụ ahụhụ ga-eto ya ka dike ha. Akụkọ a ga-atọ ụmụaka ụtọ ma gbakwa ha ume maka ịgbasi mbọ ike maka ọ dị mma ha na na nke ndị ọzọ.

N’aka nke ọzọ, e tinyekwa atụtụ Kohlberg maka mwulite ụmụaka n’ọrụ, akụkọ a dabakwara adaba n’ebe ụmụaka afọ asaa ruo iri na otu nọ. Akụkọ a ga-eme ka ụmụaka mata uru ezinaụlọ na ogbe bara, ikwunaibe Jemis megburu Jemis emegbu, ọ chọrọ ime onwe ya obiọma, o wee cheta nne na nna ya nwụrụ anwụ, o sowere ụmụ ahụhụ na njem ya, ha wee bụrụzie ikwu na ibe ya. Ọ rụsiri ọrụ ike maka nnabata anabatara ya. Nke mbụ, o nyere gbakụrụ nwoke aka ugboro ugboro n’ihi ọ chọghị ka iwe wee ya. Ọ chọkwara ụzọ dị iche iche ji nyere ụmụ ahụhụ ndị enyi ya aka. Nke a mekwara ka Jemis nwee ugwu pụrụ iche n’ebe ndị enyi ya ahụhụ nọ

Ubesie (1974) tinyekwara atụtụ mwulite ụmụaka n'ọrụ n'akụkọ Enyi, n'akwụkwọ *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe*. Ihe mere Enyi onyeisi agwa bụkwa ihe mere Jemis n'akụkọ James the giant peach nke Dahl dere n'afọ 1961. Enyi dịkwa afọ asaa oge nne na nna ya nwụrụ dịkwa ka Jemis dị. Enyi dabara n'aka nwanne nna ya onye nke nwunye ya na-emegbu. Otu a ka ọ dịkwa Jemis oge nne ya na nna ya nwụrụ. Enyi sooro ụmụaka ibe ya gbapụ n'ụlọ mechaa bụrụ onye nke jiri ugwu na nsọpụrụ lọghachite n'ihi ncheghar̄ị nke o cheghar̄ịrị site n'ohi ọ na-ezu. Ndị obodo ya werezie ya eme ọnụ, hụkwa ya dị ka onye nchekwaba ha na akụnaụba ha dị ka ụmụ ahụhụ siri hụ Jemis dị ka onye nzọpụta ha n'akụkọ "James the giant peach".

**Agụmagụ, Ọzụzụ na Mwulite Ndụ Ụmụaka**

Ndị Igbo na-akụziri ụmụaka omenala site n'agụmagụ ọnụ nke na-esi n'aka nna fere na nwa. N'ala Igbo, otu onye anaghị azụ nwa. Nwa bụ nwa ọha, n'ihi ya, ọzụzụ nwatakịrị na-abụ ọrụ dịịrị ikwu na ibe, ndị agbataobi, ndị enyi, ndị ọgbọ nakwa ndị ọ bụla ha na nwata na-enwe mmekọrịta n'ụzọ ọ bụla.

Enweghị ụlọ akwụkwọ ukwu ma ọ bụ nke nta a haziri ahazi ebe a na-azụ ụmụaka n'omenala Igbo ma ọ bụ ụzọ dị mma esi ebi ndụ n'oge gboo. Ụmụaka na-amụta ihe  site na ntụziaka, mgbazi, ndụmọdụ, na mba nke ndị okenye maara ihe nyere ha oge ha jehiere ụzọ ma ọ bụkwanụ oge nkịtị ha nọkọrọ na-akpa ụbụbọ ma ọ bụ agụgụala ma ọ bụ akụkọ ifo.

Nwadike (2002:9) kwuru na "ọzụzụ nwatakịrị na-abụ oge ọ bụla, ebe ọ bụla, n'ụlọ, n'ụzọ iyi ime ọrụ dgz. E nwere ike iji akụkọ ifo, gwa m gwa m gwa m, abụ/uri, mbem, ilu, okwu ntabi ire na ndị ọzọ were kuziere ụmụaka ihe. Onye nkuzi ga-ahọrọzi ụdị nke ọ chọrọ ga-adaba n'ihe ọ chọrọ ịkụziri ụmụaka. Ọmụmaatụ abụ/uri maka iku nwa, akụkọ maka ịgbasi ike, umeala, irube isi dgz.

N'ime ihe niile, a na-eji akụkọ ifo akụziri ụmụaka omume kwesịrị ekwesi. Ọmụmaatụ, agwa mbe n'akụkọ ọ bụla na-egosi aghụghọ nke bụ oke amamihe ma a tụghar̄ịa ya, maka na ọ bụ aghụghọ a nke pụtara oke amamihe ka mbe ji alafere n'ọdachi ọ bụla ọ hụrụ onwe ya. Site n'ịkọrọ ụmụaka akụkọ mbe; ọ pụtara na ndị Igbo chọrọ ka ụmụ ha na-enwe akọ na oke amamihe ka mbe, nwee ike na-echepụta ụzọ pụrụ iche ha ga-esi na-agbanahụ nsogbu na ọdachi ọ bụla na ndụ ha. N'otu aka ahụkwa ahụhụ (ant) na udide (spider) na-ezipụtakwa agwa onye na-agba oke mbọ na ịrụsi ọrụ ike. Ya mere e ji akọrọ ha akụkọ ahụhụ na udide ka ha nwee ike ghọta mkpa ọ dị ịgba mbọ na ịrụsi ọrụ ike. N'aka nke ọzọ, ndị Igbo na-ahụta ele dịka anụ na-agba ajọ ọsọ, agụ dịka anụ siri ike. Iji kụziere ụmụaka asụsụ miri emi, a na-asị na mmadụ bụ ele, nke pụara na ọ na-agba ajọ ọsọ, ọ bụ agụ pụtara na onye ahụ siri ike; ọ bụ ụsụ, nke a pụtara na onye ahụ abụghị anụ elu ka o na-abụ anụ ala.

Oge ndị Igbo na-ewebata agwa ndị a n'agụmagụ, ha tụrụ anya ka ụmụ ha ṅomiri amamihe ndị nke dị mma mere ha ji ewebata ha n'akụkọ. Oge ọ bụla ndị Igbo na-asị na "ifo aghaghị mbe" Ọ pụtarana enweghị akụkọ ife a ga-akọ ghara ịkpọtụ mbe aha n'ihi oke amamihe ya. "Onye a na-ekwu maka ya nwere ihe ọ na-eme".

**Ọnọdụ agụmagụ Ụmụaka ugbu a:**
Agụmagụ ụmụaka na-anyụ ka ọkụ. Ihe kpatara nke a bụ na asụsụ e ji eme ya bụ agụmagụ na-ala azụ na ndụ ndị nwe ya. Agụmagụ na asụsụ bụ ejima. Asụsụ na-eto, ejima ya bụ agụmagụ ga na-esokwa ya eto. Enweghị nke ga-eto ghara ibe ya. Mana ebe asụsụ na-ada mba, agụmagụ sokwa ya ada mba.

Ihe kparara ọnọdụ a bụ oke mmepe anya, ịnabata agwa ndị ọcha ebe ọ dị ukwu, oke nṅomi, nne na nna ejighị asụsụ na agụmagụ kpọrọ ihe n'ihi ha aghọtachaghị uru ọ bara na mwulite ndụ ụmụntakịrị. Ụmụaka n'onwe ha enweghị mmasị n'ihi na ebidoghị n'oge na-akụziri ha agụmagụ Igbo. Oge a ga-eji kọọrọ ụmụaka akụkọ ifo nke ga-enyere ha aka na ndụ bụzi oge e ji apị apịrị apị ekwentị, eje ịntanet, ele onyonyo ndị ọcha gba ọtọ, arụ na mpụ ana-abawanye karịa mwulite obodo. Ndị nkuzi na ndị goomenti jikọrọ aka ọnụ debe agụmagụ ụmụaka n'azụ oche n'ihi na ọ bụrụ na ha dobere agụmagụ n'ihu ebe o kwesiri ịdị, ọ gaara a bụ ihe mbụ nwata ga-amụ were gbado mgbọrọgwụ na mwulite ndụ ya. Maka na a tụrụ anya na site n'agụmagụ ndị a, ụmụ aka ga-enwe ike mụta ezi agwa a tụrụ anya n'aka ha ma tufuo ndị na-agaghị enyere ha aka na ndụ maka mmepe obodo Afrịka dum.

Iji mezie ọnọdụ dị etu a, anyị ga-agaghachi azụ n'ebe anyị siri bido. Ya bụ n'agụmagụ ọnụ, were ya kpọrọ ihe n'ihi na, ha na-ewulite gburugburu ndụ mmadụ tụmadị nke ụmụ ntakịrị bụ ndị a ka na-ewulite omume ha ewulite. Nke a ga-enyezi aka maka mwulite obodo n'uju.

**Uru agụmagụ bara na mwulite ndụ Ụmụaka**
Agụmagụ e deziri edezi ma ọ bụ nke a kọrọ nke ọma ga-enwerịrị otu ọgbọ ndị ha ga-abara uru na mwulite ndụ ha Russell (2009).

Ụmụaka na-eṅomi agwa ndị dị n'akụkọ ndị a, ma ha mere eme ma ha emeghị eme. Agwa ndị a ga-enyere ha aka ịnyazi ma ọ bụ ịgbazi ndụ ha ebe ọ dị mma.

Agụmagụ ụmụaka na-enye ụmụaka ohere ịgagharị ma hụ ihe na-eme na gburugburu ụwa site n'akụkọ a na-akọrọ ha maka agwa ndị mmadụ, ebe na oge dị iche iche na ọnọdụ ihe dị iche iche.

Agụmagụ ụmụaka ga-eme ka ụmụaka na-eche echiche miri emi. Ọmụmaatụ gwa m gwa m gwa m ihe si n'ala kuru mmiri laa n'elu. Nwa na-amaghị agụmagụ ọ dịnala agaghị ama na ọ bụ akị bekee. Ụfọdụ ga-enyekwa ọsịsa dị iche iche. Agụmagụ ga-eme ka nwata gbasie ike site n'egwu ọnwa, mgba na-egwu ọdịnala ndị ọzọ.

Ọzụzụ ụmụaka na-ebido ozugbo a mụrụ ha. Ndị ezinaụlọ nwatakịrị, okachasị nne na nwa na-eku nwa na-ebido na nwata agụrụ nwa ahụ egwu iji meruo nwatakịrị ka ọ rahụ ụra ma ọ bụ kwụsị ibe akwa. Oge a na-agụrụ nwata egwu, ọ bụrụ nke na-ebe akwa, ọ ga-agbachi nkịtị, na-ege egwu a na-agụ ruo mgbe ụra jiri tụrụ ya. Ụfọdụ egwu ndị a na-agụ n'oge a bụ:

a) Tata mechie ọnụ
Ebezina akwa

Akwa adịghị mma na-obube
Ọchị kacha mma na-ọchịchị
Chịara m chịara m ọchịchị

b) Onye mere nwa na-ebe akwa
Egbe mere na na-ebe akwa nwa
Wete ụzịza, wete ose
Weta amara ngororo ofe
Ka ụmụ nnụnnụ rachaa ha
Okpo tutu gbogbuo ha
Onye onye egwu ọzọ

ch) Nwa enwe ị ma n'elu
Na-eso m gị
Nwa enwe ị ma n'ala
Na-eso m gị
Nwa enwe nye m ọla
Nye m mgbịrịgba
Ka m gbaa nwa m n'aka
Mgbe ọ ga-ebe
Ka o bedebe e
Nwa enwe doo
Nwa enwe doo

Jean Piaget n'akwụkwọ Russell (2009:31) kowara n'oge ụmụaka nọ site n'otu afọ ruo afọ abụọ, na ụdị agụmagụ ọnụ ndị dị otu a bụ ihe ga-enye aka iwulite ndụ ha. Dịka ha na-etolite, a na-akụzikwara ha ụdị omume na agwa ndị anabatara ha ga-akpa site n'abụ na egwu nke ogo ha ruru.

Ọmụmaatụ iji kụzirere ụmụaka ịdị ọcha

Biko nna m ukwu lee isi m
Lee isi m lee isi m
Biko nna m ukwu lee isi m
Lee ma ọ dị ọcha a a
Biko nna m ukwu lee eze m
Lee eze m, lee eze m
Biko nna m ukwu lee eze m
Lee ma ọ dị ọcha a a

Biko nna m ukwu lee uwe m
Lee uwe m, lee uwe m
Biko nna m ukwu lee uwe m
Lee ma ọ dị ọcha a a

Agụmagụ na-enye obi aṅụrị iji nọrịa oge nakwa ịkpa obi ọma. N'oge ụmụaka dị afọ anọ ruo asaa, ha na-aghọta onwe ha, ma ghọta kwa ndị ọzọ. Ha ga-eme onwe ha obiọma site n'agụmagụ ọnụ ndị a:

Onye elele anya n'azụ oo
Mmụọ ọma anyị na-aga n'azụ oo
Onye elele anya n'azụ oo
Mmụọ ọma anyị na-aga n'azụ oo

Agụmagụ na-eme ka ụmụaka ghọta onwe ha nakwa ụmụaka ndị ọzọ, Russell (2009) site n'akụkọ ma ọ bụ akwụkwọ ha gụrụ, ọmụmaatụ nwatakịrị gụrụ *Okwe Agbaala* nke si n'aka I.U. Nwadike ga-aghọta ihe na-eme n'ụlọ akwụkwọ n'oge ugbu a dịka mpụ ule nakwa ihe ndị ọzọ na-eso ya. Site n'akwụkwọ agụmagụ ụmụaka gụrụ ma ọ bụ akụkọ ha nụrụ banyere obodo ọzọ, ụmụaka ibe ha ma ọ bụ ihe ndị na-emegasị na mba dị iche iche; ọ ga-enyere ha aka ịdị nkwadebe maka akamgba ọ bụla ma ọ bụ ọnọdụ ọ bụla nwere ike ịbịara ha n'ọdị n'ihu. Ọmụmaatụ, nwatakịrị nụrụ akụkọ ihe mere n'oge agha ma ọ bụ gụọ akwụkwọ Amaechina nke G.I. Nwaozuzu ma ọ bụ Ndidi Amaka nke si n'aka Chukwuneke Law Okoro ga-amata ihe mere n'oge agha. Nke a ga-enyere ya aka inupụ isi na ndụmọdụ ọbụla nwere ike ibute agha ọzọ.

Agụmagụ n'ụdị akụkọ ma ọ bụ ederede na-enyere ụmụaka aka ịghọta omenala ha, mara ihe bụ arụ, nsọala, ihe ọma na ihe ọjọọ, nwekwaa ike zere ha. Ọmụmaatụ, nwatakịrị gụrụ akwụkwọ *Nwata Rie Awọ* ga-amata ihe bụ nsọala na arụ wee nwee ike zere ụdị ihe ahụ. Nwatakịrị gụrụ *Agharata* ga-amata ọnọdụ omenala Igbo ụfọdụ tupu ndị ọcha eburu mgbanwe n'ụdị ụka bata.

Ihe mmụta na-esite n'akụkọ ifo na-enye ụmụaka ezi uche iji bie ndụ n'ụwa ọmụmaatụ akụkọ nza na obu. N'akụkọ nza na obu, nke ihe mmụta si na ya gụnyere mmefu akụ, ima aka, na inwe anya ukwu, na-akụziri ụmụaka na omume ndịa adịghị mma. N'akụkọ azụ eru ala, ụmụaka ga-amụtakwa na isike adịghị mma, mmadụ imebiga ihe oke adịghịkwa mma. N'akụkọ atụrụ na onye ọrụ ubi, ụmụaka ga-amụtakwa na ohi adịghị mma, anya ukwu na isi ike jọgbukwara onwe ya, mmadụ kwesịkwara ịdị na-agbaghara mmehie. Ụdị akụkọ ndị dị otu a na-enye aka n'ọzụzụ ụmụaka maka mwulite obodo.

**Ọnọdụ agụmagụ na ndụ Ụmụaka site n'akwụkwọ *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe*:** Na mbido, akụkọ dị n'akwụkwọ Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe juputara na tigbuo zọgbuo, arụ na mpụ nke nwere ike ịgbanwe agwa nwatakịrị. Ma nwatakịrị gụrụla akwụkwọ a ruo na ngwụcha ga-ahụ na n'ime ihe niile, Enyi bụ isiagwa chegharịrị mata na o nweghị ebe ụdị ndụ a ga-eduba ya, oge o lechara ndụ ya anya hụ na izu ohi abụghị ihe e ji etu ọnụ, "ka Enyi rụrụ ọrụ ugbo afọ ise, lee Enyi ka ọ ghọkwara ọgaranya ndị obodo ha ji na-etu ọnụ" p. 67. Na mbido akụkọ Enyi bụ onye ohi amaara amara n'obodo nke na-eyi ndị mmadụ egwu ụtụtụ na ehihie. Ugbu a o chegharịala bụrụzie onye e ji etu ọnụ, na-echekwa ndụ ndị obodo ya. Nke bụ na nwatakịrị nụrụ akụkọ Enyi ga-ekpebi na ebe Enyi mechara na ndụ ya

gbanwe bụrụ oche ndu ndị obodo ya, ya onwe ya ga-abakwa uru bụrụkwa onye ndị obodo ya ga-eji eme ọnụ dị ka Enyi.

Ụzọdịmma gburu Okafọ n'ihi na ọ na-eche na Okafọ ma maka ọnwụ ụmụ ya abụọ. Ụmụaka ga-amata ebe a na igbu mmadụ adịghị mma, matakwa na onye gburu mmadụ na isi ya na onye o gburu na-ala. Ụmụaka ga-amata na e nwee ụdị mgbagwoju anya dị etu a na ndụ mmadụ, e kwesịghị iso ya dị ka Ụzọdịmma, kama onye ahụ ga-eme mkpesa ya n'aka ndị na-achị achị ka e nwee ike leba okwu anya. A mara Ụzọdịmma ikpe ọnwụ maka igbu ọchụ. "Iwu obodo ekwuola na aga-egbu Ụzọdịmma" p5. Ụmụaka gụrụ akwụkwọ a ga-amata na iwu obodo bụ onye gbuo mmadụ, amakwa a onye ahụ ikpe ọnwụ. N'ihi ya, ha ga-ezere ihe ga-eduba n'igbu mmadụ.

N'otu aka ahụkwa, Ụzọdịmma lusoro ndị ọna ụtụ ọgụ nke mere ka ndị ha jibu eji gbalagasịa. Ụmụaka ga-amatakwa na onye kwụọ ụtụ isi ya, o nwere onwe ya. Ọ dịghị mma ịlụso ndị ọ bụ ọrụ ha ịnakọ ụtụisi maka mmepe obodo ọgụ. Ọ gosighị nsọpụrụ iwu na-achị obodo p.3. Ụdị agwa dị etu a agaghị eweta mmepe obodo, n'ihi ya ụmụaka ga-ezere ya.

Ụmụaka ga-amụtakwa ọgwụ ọdịnala; na ụfọdụ ahịhịa ndị anyị na-ahụ bụcha ọgwụ. Nke a pụtara ihe mgbe Enyi na enyi ya nwoke Nwokeabịa gara igbu azụ, Nwokeabịa wee tinye aka n'okpo, Enyi gara kpata ahịhịa inine ọgwụ, tewe ya na mkpịsị aka ebe ahụ ọkpọ gbara ya, kporokwa aja sụchie ya p. 18 Nwatakịrị gụrụ akwụkwọ a ga-amụta, na oge ọ na-egwu egwu ma ọ bụ na-arụ ọrụ nwee mmeru ahụ, ọ ga-esizi otu a Enyi na enyi ya nwoke siri mee were mee nke ya iji kwụsịgodu ọbara ịgba. Ụmụaka ịmata ụmụ ọgwụ ọdịnala ndị a bụ ihe na-eweta mwulite obodo n'ihi ọ ga-enyere obodo aka ịkwụrụ onwe ya.

Enyi zipụtara amamihe dị egwu site na echiche miri emi nke o chere were gbanụhụ ọdachi ọ nọ na ya oge ọ gara ohi mangoro.

> Odibo onye ọcha wee kpọrọ nkịta bekeem kpọsa n'ukwu mango ka o chewe ya... Enyi amarala na ọ nọrọ chewa nkịta ahụ, na ụla ya abụghị taa. Ụbụrụ ya wee gbakeriwe na-eche ụzọ ọ ga-eji jide oke ebule na mkpị… Osisi juru ebe niile n'akụkụ mango nke Enyi nọ n'elu ya. Enyi wee si n'otu osisi fere n'ọzọ ruo oge ọ rịchapụrụ ebe nkịta nọ wee rituo. Oge ya na ọsọ na-eme, onye nwe ụlọ metụrụ nkịta ya nke chụwara Enyi ozugbo. Oge Enyi hụrụ na nkịta a erutewele ya nso, ọ kwụrụ otu ebe wee kpọwa ya ka a ga-asi na ọ bụ enyi ya. Oge nkịta a rutere Enyi nso nke ọma, Enyi kpooro aja kpoba ya n'ọnụ nke mere ka ọ nwaba ka ọ nwapụ aja juru ya ọnụ. Nke a nyere Enyi ohere ịgbalaga, ebe nkịta nọzi ebe ahụ nwụọ (p. 23)

Ọ bụ nwa nwere ọgụgụisi ebe ọ dị ukwu nwere ike iche ụdị echiche a. Nwata gụchara akwụkwọ agụmagụ a ga-etinye onwe ya n'ọnọdụ Enyi nwee ike iche echiche banyere izọpụta ndụ ya oge mkpagbu bịarala ya. "Ụbụrụ Enyi na-akụ ka elekere, na-eche ka ọ ga-esi laa" (p. 23).

Agụmagụ na-agba ụfọdụ nkwenye ndị Igbo n'anwụ. Site kwa n'akwụkwọ agụmagụ a, ụmụaka ga-amata ụzọ e si achọpụta eziokwu ma ọ bụ ihe furu efu n'ụzọ ọdịnala bụ ịṅụ iyi (swearing oath).

> Ụbọchị ahụ ndị obodo niile pụtara n'ahịa nọrọ gburugburu, na-elepụ anya. Ha chegidere, dibịa ahụ wee bịa. A papụtara nri ụmụ nwanyị sụrụ na ofe ha tere. Dibịa ahụ meghere otu mkpọ o ji, yọrọ otu ihe na-acha ka nsị egbe yọnye n'ofe, sị na onye ọ bụla ga-abịa bere nri, suru n'ofe ahụ, loo jee nọrọ ala, ma o lochaa nri. P 43

Nke a na-egosi ụzọ pụrụ iche ndị Igbo si edozi okwu na ụka n'ụzọ ọdịnala tupu ndị ọcha eburu polisi na ụlọikpe bịa. Okwu ọ bụla rara ahụ ndozi ma ọ bụ ịchọpụta nke bụ eziokwu na-ebi n'ihụ iyi, ezi okwu ejizie aka ya gbaa ka ọnwa.

**Nchịkọta na mmechi**

Anyị atụleela ihe bụ agụmagụ ụmụaka na ọnọdụ ya ugbu a. Ihe na-adọghachi agụmagụ ụmụaka azụ n'oge ugbu a nakwa ihe a ga-eme ka ọnọdụ agụmagụ ụmụaka bịaghachikwa etu ọ dị mbụ. Anyị chọpụtakwara uru agụmagụ bara na mwulite ndụ ụmụaka. Anyị tulekwara akwụkwọ agụmagụ *Mmiri Ọkụ E ji Egbu Mbe* nke bụ akụkọ arọrọ arọ, wee si n'ime ya chọpụta na: Ebe a nọrọ zụọ nwata na-egosi akparamagwa nwa ahụ. Agụmagụ nwere ike gbanwoo ndụ nwatakịrị n'ụzọ ọma ma ọ bụ nke ọjọọ. Ndị enyi nwatakịrị nwere ike ịgbanwe agwa nwatakịrị. Omume ọ bụla nwata na-akpa ga-enwerịrị ihe dubara ya n'omume ahụ dị ka Enyi, ọ bụ ọnwụ nne na nna ya mere o jiri gaa biri na nke nwanne nna ya bụ onye nke nwunye ya megburu ya (Enyi), nke mere o jiri gbapụ n'ụlọ jee zute ndị otu ọjọọ bidozie zuwe ohi.

N'ịkwadozi nwulite ụmụaka na mmepe obodo, anyị na-atụzi aka ka e jiri agụmagụ na-akụziri ụmụaka ihe bido oge a mụrụ ha. N'ihi na anyị lee anya n'azụ, anyị ga-ahụ na ndị niile a zụlitere n'ụzọ dị otu a na-eme nke ọma n'isọpụrụ omenala na ideba iwu nke na-ebulite mmepe obodo karịa oge a e jiri ịntanet zụọ.

Maka mwulite na mmepe obodo, e kwesịrị ịkpachapụrụ ụmụaka na agụmagụ ha anya n'ihi, ọ bụ ha bụ obodo ga-emepe emepe. Ndị ikwu na ibe kwesịrị ịdị na-elezi ụmụaka e tinyere ha n'aka anya maka na ahụmihe, ọnọdụ ụwa nakwa ebe obibi nwatakịrị na-enye aka iwulite ndụ nwa maka mmepe obodo. Anyị na-ayọ ndị gọọmenti ka ha tinye iwu megide mmegbu ụmụaka n'ihi na ụmụaka bụ ndị nnukwu mmadụ anyị ga-enwe n'ọdịnihu.

**Edensibịa**

Aries, Phillipee (1962). *Centuries of Childhood*. New York:Jonathan Cap.

Dahl, R. (1961). *James and the Giant Peach*. New York: Borzoi/Alfred A. Knopt.

Ezikeojiaku, P.A. (2009). *Agharata.* Ụmụaka: Ark Publishers

Nwadike, I.U. (1991) *Okwe Agbaala*. Lagos: Macmillan Nigeria Pubishers

Nwadike, I.U (1992). *Ntọla Agụmagụ*. Onitsha: Ifunanya Publishers

Nwadike, I.U. (2002). *Igbo Language in Education: An Historical Study*. Obosi: Pacific Publishers

Nwaozuzu, G.I. (2014). *Amaechina* (Egwuregwu) UNN: University of Nigeria Press.

Okoro, I.C. (2009). *Ndidi Amaka*. Amaraku: Trumpeters Concepts.

Onyekaonwu, G.O. (2004) *Nwata Rie Awọ*. Onitsha: Varasity Industires Press.

Russell, D.I. (2009*). Literature for Children. A Short Introduction.* Boston, M.A: Allyn & Bacon.

Ubesie, T.U. (1974). *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe*. Lagos: Longman Nigeria.